# HEMAN DABARA NIME ỌNYÀ NKE YA ONWEYA

### Esta 3:1-15; 4:1-17; 5:1-14; 6:1-14; 7:1-6, 9, 10.

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 430

### Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'iru ntipia ka npako nāga, ọ bu kwa n'iru isu-ngọngọ ka idi-elu nke mọ madu nāga: (Ilu 16:18).**

**Onyeisi Ọchịchị**

N'ụbọchị taa anyị gaamụ banyere ihemere otù nwoke nke náewe iwe ọsọsọ. Nwoke a naechè ezi ihe banyere onweya, o wee náewe ya iwe n'obi ma ọ bụrụ na onyeọzọ adịghị echè banyere ya dịka ya onweya naechè banyere onweya.

Heman, n'ihi na otú a ka aha ya bụ, ka enyeworo ọkwá ọchịchị dị elu n'ogige ala ọchịchị nke ndị Peasia, eze enyewo kwa iwu na ndịorù niile ganaakpọ isiala, náeruru kwa ala nye Heman. Eze, Ahasuerọs, chịrị ihe karịrị otù narị na iri ala ọchịchị abụọ na asaa (127) site na ókè ala nke India n'ụzọ niile nke ịga Africa. Heman bụ onye ọchịchị nke náesote eze. O bi n'isi obodo nke Shushan wee náabịaru nleta obí mgbe niile na mmekọ banyere ọlụ ya niile dịka onye isi ọchịchị.

Ndị orù niile nke eze naakpọ isiala nye Heman ka ọ naabata ná apụ kwa n'ọnụụzọámá. Ka ọ dị, ọ bụghị ha niile, o nwere otù onye Ju nke aha ya bụ Mọdekai. Esiri na Jerusalem wee mee ka ọ bịarue Babilọn mgbe Nebukadneza bụ onye ọchịchị nke ụwa niile. Ma ugbu a Ahasuerọs bụrụ eze, emere ka Mọdekai bịarue obí eze nke dị na Shushan. Kwa ụbọchị dịka Heman naabanye ma náapụta kwa site n'ọnụụzọámá nke obí ahụ, ha niile kpọrọ isiala wee sọpụrụ kwa Heman ewezuga Mọdekai.

Mọdekai náesighịagụgọ anụworị iwu Chineke kwa ụbọchị n'obodo nke aka ya, ma o chetara iwu nke sịrị, "Gi enwela chi ọzọ tinyerem … Gị akpọla isi ala nye ha, efè-kwa-la ha òfùfè" (Ọpupu 20:3, 5). Ọ sọpụrụ Chineke wee ghara ịkpọ isiala.

**Ịkpọasị náemegide Obi dị Nwayọ**

O, lee otú nke a si wute Heman! O wee jupụta na ọnụma O wee jupụta na ọnụma. Ọ kpọrọ Mọdekai asị, n'oge mbilite ụra ya niile ọ naanọ ná eche échìchè, m'gaesi añaa gbue Mọdekai? Échìchè niile nke Heman wee lueilu n'ezie. N'ime obi ya o wee sị, agam egbusi Ndị Ju niile, o wee zube ya n'ụzọ ahụ.

Nke ahụ bụ ụzọ ekwensu si enwe mmetụta banyere onye ọ bụla nke náefè Chineke. Ekwensu chọrọ ikpochapụ onye ọ bụla. Ma onye nke Kraist nwere ezi ngwaagha. Akwụkwọnsọ sịrị: "Guzogidenu ekwensu, Ọ gāgbapu kwa n'ebe unu nọ" (Jemes 4:7). Ekwensu bụ onye ụjọ, mgbe ọ bụla onye nke Kraist weere ezi nguzo dịike maka ihe ahụ ọ maara na ọ bụ eziihe, ekwensu naagbapụ dịka onye emeriemeri.

Ọ bụ ezie na anyị naahụ́ ọtụtụ ihe ọjọọ ná ndụ nke ndị nọ anyị nso na gburugburu anyị site n'oge rue n'oge, ma dịka ndị nke Kraist anyị kwesịrị ịmụta ka esi ebugara Onyenweanyị ihe ndịa niile ka ekwensu wee ghara inwe ike iwezuga ezumike na ịdị nwayọ nke anyị nwere na mkpụrụobi anyị.

**Ịbọ̀ọ́bọ̀ Ezubeworo**

Heman mere nnọọ ọtụtụ mgbalị pụrụ iche iji mee ka Obi dị eze mma na inweta ezi ebumn'obi ya ọbụná otú a ka o wee nye Heman ihe ọ bụla ọ gaarịọ ya. N'oge náadịghịanya ndị enyi Heman wee kpebie n'otù ụbọchị maramma dịka ha kwenyere -- bụ́ mgbe Heman kwesịrị ikwupụta nye eze na otù ndị dị n'ala eze ya bụ́ ndị náadịghị edebe kwa iwu niile nke eze kama ha naeso iwu niile nke onwe ha. Ọ gaadị nnọọ mma ọ bụrụ na alara ha n'iyi ma kpochapụ kwa ha site n'ala anaachịachị nke ndị Peasia.

Ngwangwa eze wee kwenye ewee zikasịa iwu nye ndị isiala ọ bụla anaachịachị nke ala ọchịchị Peasia ikpochapụ, na igbu, na ime ka Ndị Ju niile laa n'iyi, site na nwata wee rue okenye, ma

ụmụntakịrị ma ndịnyom, n'otù ụbọchị na ka ndị Peasia wee wekọrọ kwa ebe obibi ha na akụ n'ụba ha niile.

**Nwute**

Ebe ọ bụla agụpụtara okwu eze na iwu ya, óké iruuju nọ. Agụkwara ya n'obí nime Shushan, Mọdekai wee dọwa uwe ya niile, yikwasị ákwàmkpé, kpokwasị ntụ n'isi ya pụọ jee n'etiti obodo, tie óké mkpu na ákwá dị ilu.

Mgbe ezenwayị Esta zigara ka ejekwuru nwanne ya bụ́ Mọdekai, ịmara ihe nke a bụ, na ihe kpatara óké iruujú a, Mọdekai zigara ya ndepụta nke ihe odide akwụkwọ iwu ahụ wee gwa kwa ya ka ọ bakuru eze, ịrịọ ya arịrịọ amara n'ihi ndị ya bụ Ndị Ju.

**Ịhụn'anya na Ịtụegwù**

Egwù tụrụ Esta ijékwuru eze. Eze akpọghị ya ihe dịka iri ụbọchị atọ, ya onweya amaghị kwa ma ọ ka nwekwara mmasị n'ebe ọ nọ. Ọ bụrụ na o setipụghị mkpan'aka ọlaedo nye ya, agaegbu ya. Mọdekai wee sị ha zaghachi Esta sị, "Ekwula ná nkpuru-obi gi na ị gēwepuga onwe-gi n'ulo eze, kari ndi-Ju nile. N'ihi na ọ buru na ị gba nkiti ghara ikwu okwu ọ bula na mgbe a, oghere na nnaputa gēguzoro ndị Ju site n'ebe ọzọ, ma agēme ka gi onwe-gi na ulo nna-gi la n'iyi: ma ònye mara ma ọ bu n'ihi mgbe di otú a ka ị biaruru ala-eze?"

Oghere naabịara onye ọ bụla chọrọ ime uche Chineke. Oghere bụ ụzọ nke náemeghepụ ihe niile dị mma ná ndụ. Ọ bụrụ na emechibido ya ụzọ, ndụ anyị bụ nnọọ ihe náabaghịarù, ọzọ ngọzi nke anyị pụrụ ị bụrụ ndịọzọ adịghị abịa ime ka ndụ ha maọbụ nke anyị baaụba.

**Ekpere Na Ntụkwasị obi**

Na mbụ ọ rịọrọ ka Modekai na Ndị Ju bụ ndị so ya biri nime Shushan bueọnụ ma kpeekpere ụbọchị atọ ehihie na abalị, ya onweya na ụmụagbọghọ ya gaebu kwa ọnụ ma kpee kwa ekpere. Mgbe ụbọchị atọ nke ekpere ndịa gasịrị, Esta gaenweworị mmetuta nke ntụkwasị obi na uche Chineke gaeme ma ya onweya gaadị ndụ maọbụ na ọ nwurụanwụ. Dịka o jiriejiji uwe alaeze ya ijé n'iru eze dịka ọ nanọkwasị n'ocheeze alaeze ya, obi ya gana akú ọkụ ọkụ n'olileanya na ọ gaesetịpụta mkpan'aka ọlaedo, ma ná ejikere na ọ gaanwụ n'ịdị ike ọ bụrụ, na eze ama ya ikpé ọnwụ, n'iwe.

Ezenwanyị Esta enwewo olileanya na agaarapụ ọtụtụ puku Ndị Ju adọtara n'agha site na ọmụma ikpé ọnwụ, ọ nọ kwa ná njikere inye onweya ka ha wee dị ndụ.

**Ndụ Maka Ọnwụ**

Óké iruuju maọbụ nwute naadịkarị mgbe mmehie na mmebiiwu na anọ nnọọ gburugburu. Ma lee, anyị kwesịrị ime karịa inwe mmetụta ọjọọ banyere ya! Anyị kwesịrị ijé n'iru Chineke, Eze dị ukwu na onye ọchịchị nke elu uwa dum, wee kpeeekpere. Ọ ga anapụta ndị mmehie ma ziga kwa Mmụọozi Ya iso ha kwukọ okwu banyere mmehie ha niile, banyere ọnwụ nke Jisọs n'elu Obe n'ihi ha, na kwa banyere ikpéọmụma ahụ nke gaabịakwasị ha ma ọ bụrụ na ha échègharịghị.

Anyị kwesịrị ịnọ ná njikere, dịka Esta nọworo, inye ndụ anyị ka ewee zọpụta ndụ ndịọzọ. Otù nime ndịisi nzukọ anyị kọrọ banyere oge o nwere mmetụta ọkpụkpọ òkù ka ọ gaa Afrika gbasaa oziọma n'ebe ahụ. Ọ gaapụtaworị ịrapụ nnenanna ya, nwatakịrị ya nwanyị ndị ọ hụrụ n'anya na ndị enyi ya nọ na Amerika. Ma ọ nọ ná njikere ime ya. Eleghịanya ị gụwo ihe banyere mgbasa oziọma nke Livingston bụ́ onye rapụrụ ụlọ ya ná England ịga ná mba dịkarịsịrị ojii nke Afrika ịgwa ndị nọ n'ebe ahụ banyere nzọpụta. O riteere Jisọs ọtụtụ mkpụrụobi n'urù, wee tọgbọ ndụ ya n'Afrika.

Enwere ike agaghị akpọ gị ka ị jee ebe dị anya nke Afrika maọbụ na Japan, ma ọ bụrụ na Chineke etinye ya nime obi gị ka ịgwá enyi gị maọbụ onye egwuriegwu gị ihe banyere nzọpụta, ka inye otù akwụkwọ nke nzukọ, maọbụ ịkpọokù ịbịa ụlọakwụkwọ nke ụbọchị ụkọ, ịkwesịghị ịlaghachị n'ịtụ egwù n'ihi na ụfọdụ gaeme gị ihe ọchị maọbụ gbaa gị nkịtị. Ọ bụ ezie na ụfọdụ agaghị aza ọkpụkpọ okù ahụ. Ma otù onye nwereike; ọ bụrụ na iritere Jisọs nááń̄ị otù onye n'urù, nke ahụ ezuwo ịpụta ìhè ná mgbalị gị niile.

**Ịkpọasị Bụ Ibú**

Azara ekpere, obi eze wee pụa ịnabata Esta. Ma nime oge niile Heman bụ nnọọ ịkpọasị n'obi maka Mọdekai; site n'ịgbáume nke ndị enyi ya o wee nwee osisi mkwụbá o mere bụ́ ebe ọ gaakwụba Mọdekai. Ọ bụrụ na onye ọ bụla eburu ihe ọjọọ n'obi ya, ọ gaahụ́ otù onye nke gaagba ya ume ka o debe ihe ọjọọ ahụ rue mgbe ọ gaekwu maọbụ mee otù ihe dị ilu maọbụ ịkpọasị.

Ịkpọasị bụ ibuarọ (naanyida mmadụ n'ala) nke Chineke na achọghị onye ọ bụla ka ọ buru. Ọ maara na ọ gaemesi n'ikpeazụ nyịda mmadụ rue ọkụmmụọ ọ bụrụ na o chègharịghị wee wezuga kwa ya. Otú a Chineke nyere ndị ya iwu ka ha náagbaghara. Onye nke Kraist ọ bụla kwesịrị ịgbaghara, náagbanyeghị ụdị iheọjọọ emere megide ya. O kwesịrị ịgbaghara ma ọ bụghị otú a Chineke agaghị agbaghara ya (Matiu 18:23-35). Chineke bụ onye náenye ahụhụ, ma ọ bụ ókè na ọlụ onye nke Kraist ịhụ mmadụ ibe ya n'anya na iji ọñụ nke obi fee Chineke òfùfè (Ndị Rom 12:19).

**Ịgha Mkpụrụ Na Iweiheubi**

Anabatara arịrịọ Esta maka nzọpụta nke ndị ya, ma akwụbara Heman n'elu osisi mkwuba ndị ahụ o mere maka Mọdekai. Karịa Heman na ndị enyi ya igbu Ndị Ju ma nákọrọ kwa ebe obibi ha na akụ̀ ha niile dịka ha leworo anya, egburu Heman wee nákọrọ akụ n'ụba ya nye Ndị Ju.

Ọ bụrụ na inye oge na mgbalị gị ka ewee zọpụta ndịọzọ, ị gaenweta ọñụ n'ebe a; ọ bụrụ kwa n'ikwesịrị ntụkwasịobi, ihe mkwughachị gaechere gị n'eluigwe. Ọ bụrụ na gị eche ihe ọjọọ nye ndịọzọ, otù ihe ahụ nwere ike ịdakwasị gị. Ọ bụrụ na gị eburu échìchè dị ilu ị ga enweta ọmụmaikpé nke ndị mmehie n'ebe a; ọ bụrụ kwa na gị échègharị, ikpeọmụma nke ọkụ̀ mmụọ gaabụ́ ókè gị n'ebe a ma emesịa.

"Unu ekwela ka eduhie unu; Chineke abugh onye anēleli: n'ihi na nkpuru ọ bula madu nāgha, nke ahu ka ọ gēweta kwa n'ubi" (Ndi Galetia 6:7).

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ aha alaeze Ahasuerọs?
2. Ònye bụ onyeisi ọchịchị ya?
3. Òlee ihe mere Heman ji jupụta n'ọnụma n'ebe Mọdekai nọ?
4. Òlee ihe Heman kpebiri ime Mọdekai na Ndị Ju niile nime alaeze nke Ahasuerọs?
5. Gịnị ka Mọdekai mere mgbe ọ matara iwu ahụ na agaegbusi Ndị Ju niile?
6. Òlee ihe ezenwanyi bụ́ Esta chọrọ ka Mọdekai na Ndị Ju bụ́ ndị ha na ya nọ mee tutu o jekuru eze ịrịọ maka ebere?
7. Onye ka anyị kwesịrị ijekwuru ịrịọ ebere maka ndị mmehie nime ụwa nka?
8. Gịnị mere anyị gaeji nwe mmasị itufu oge na ume iji nyere ndị mmadụ aka ka ewee zọpụta ha?
9. Gịnị mere o ji kwesị na anyị dịka ndị nke Kraist gaagbaghara ndị mmadụ wee ghara kwa ibu échìchè ọjọọ nime obi anyị?